# ỤBỌCHỊ NKE MKPUCHI MMEHIE
## Levitikọs 16:1-34; 23:26-32
## IHE ỌMỤMỤ 86 – Nke NdỊ-etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "JEHOVA emewo ka ajọ omume nke ayi nile dakwasi Ya" (Aisaia 53:6)**

**Azọpụtara site N'Ọbara Ahụ**

Ọ bụ náání otù ụzọ ka apụrụ isi zọpụta mmadụ site ná mmehie ya niile; site n'Ọbara nke Jisọs, Jisọs sịrị: "N'ihi na nka bu ọbaram nke ọgbugba-ndu, nke anawusiri ọtutu mmadụ ka ewe gbaghara nmehie" (Matiu 26:28).

Mgbe Onyenweanyị nọ n'ụwa O biri ndụ dị mma wee kuzieere ụmụ mmadụ otú ha ga-esi bie ndụ, ma ọ bụrụ na ha chọrọ ịga n'Eluigwe. Ma ọ dịghị onye ọ bụla pụrụ irubere òzízí Ya niile isi, ma ọ bụghị na agbaghara mmehie ya niile ma wepụ kwa ha site n'Ọbara nke Onyenzọpụta. Anyị aghaghị irubere òzízí ahụ niile isi, ma ọ bụ anyị agaghị abànye n'Eluigwe. "Ma ọ buru na ị nāchọ ibà nime ndu ahu, debe ihe niile enyere n'iwu" (Matiu 19:17).

Tupu Jisọs arịgoro n'Eluigwe, Ọ gwara ndị ná-eso-ụzọ Ya sị, "N'ulo Nnam ọtutu ebe-obibi di; ọ buru na ọ bughi otú a, M'gāgwawori unu, n'ihi na anamaga idoziri unu ebe" (Jọn 14:2). Náání tụlee ebe ole na ole mara mma ị hụworo n'elu ụwa nke a ma chetakwa na Jisọs ekwuwo na Eluigwe mara mma ọbụná karịa otú anyị pụrụ ịtụgharị n'uche anyị. Anyị niile chọrọ ịga n'Eluigwe ibiri n'ebe ahụ dị ebube ruo ebighị ebi.

**Ndị Nsọ nke Dị rị Obodo Nsọ**

Ma ọ bụrụ na Eluigwe dị ebube otú a, Chineke agaghị ekwe ka ndị mmehie biri n'ebe ahụ. Onye ọ bụla nke naeje n'eluigwe aghaghị ịdịnsọ, bụrụ onye asachara site n'Ọbara nke Jisọs. Mgbe Jọn Onye ahụrụ n'anya nọ n'Agwe etiti nke Patmọs, n'ihi na achụpụrụ ya n'ụlọ ya, n'ihi na ndị ajọ mmadụ achọghị ka o kwusaa ihe banyere Jisọs, ọ hụrụ ọhụ. Ọ hụrụ igwe mmadụ ndị egbokwasịrị ákwá ọcha, jide igu-nkwụ n'aka ha, ha na-abù abù gburugburu Ocheeze Chineke. Jọn wee ná-atụle ndị ha bụ. Otù nime ndị nsọ nke Eluigwe gwara Jọn sị "Ndia bu ndi nēsi n'oké nkpagbu ahu puta, ha sa-kwa-ra uwe-nwuda ha, me kwa ka ha di ọcha nime ọbara Nwa-aturu ahu" (Nkpughe 7:14). Azọpụtawo ha site n'Ọbara nke Jisọs; n'ihi ya ka uwe nwụda ha ji enwu ọcha, ha wee nwee ike ịbụku Chineke abù otutu n'Eluigwe.

**Inwere Onwe nke Ime Mmụọ**

Mwụsị Ọbara ahụ nke Jisọs wụsịrị n'ihi mmehie nke ụmụ mmadụ ka a na-akpọ Mkpuchi mmehie. Site na Mkpuchi mmehie ahụ ka a na-agbaghara mmehie niile anyị ma sacha kwa ha ebighị ebi. Mgbe anyị ga-eguzo n'iru Chineke inye ngụkọ otú anyị siri bie ndụ n'elu ụwa, anyị agaghị aza kwa ajụjụ banyere mmehie niile anyị meworo na mgbe gara aga, ọ bụrụ na anyị arịọwo Jisọs ka Ọ gbaghara ma sacha kwa ha.

Ụfọdụ mmadụ adịghị aghọta na Jisọs nwụrụ ka O wee kpuchie mmehie anyị niile. Ha na-eche na ọlụ Ya n'ụwa bụ ihe ná-abaghị urù n'ihi na O wughị alaeze Ya n'ụwa, dịka ndị mgbe ahụ chere na ọ bụ ihe Ọ ga-eme. Ndị Israel (ma ọ bụ Ndị Ju) nọ n'orù n'aka Ndi Rom mgbe Jisọs biri ndụ n'ụwa, ma ha na-ele anya Mesaia onye ga-abịa ịbụ Eze ha wee kwatuo kwa ọchịchị nke Ndi Rom. Ma ọ bụghị n'ihi nke a ka Jisọs bịara Ọ bịara iwụsị Ọbara Ya ka ewee sachapụ mmehie niile nke ụmụ mmadụ. Inwere onwe pụọ ná mmehie ma bụrụ kwa onye ejikeworo ijé Eluigwe dị nnọọ mkpà karị ibiri n'obodo nke inwere onwe n'elu ụwa.

**Óké Ọnụahị a nke Mgbapụta**

Tụgharịa uche banyere ụgwọ Jisọs kwụrụ iji gbapụta anyị ná mmehie anyị niile! Ọ dịghị ihe ọjọọ ọ bụla O mere. Ya na Chineke nọrị mgbe ekèrè ụwa niile, "ekègh kwa otù ihe ọ bula nke ekèworo ma ọ nọgh ya" (Jọn 1:3). Ma O kwenyekwara ịrapụ ụlọ Ya mara mma n'Eluigwe wee bịa n'ụwa n'ụdị nke mmadụ, bie ndụ hụ́ kwa ahụhụ dịka anyị onweanyị (náání na O nweghị mmehie), wee kwụọ ụgwọ nke mgbapụta anyị site n'ịtọgbọ ndụ Ya n'ọnwụ dị ilu nke obe. "Ma Ya onwe-ya bu onye amapúworo site ná njehie nile nke ayi, Onye azọpiaworo site n'ajọ omume nile nke ayi: ahuhu nmehie nke udo-ayi di n'aru-ya; ọ bu kwa ubiri utari-ya ka ejiri me ka aru-ayi di ike" (Aisaia 53:5). Anyị wee hụ́ na site n'ahịrị okwu a, anyị onweanyị nwekwara mkwà nke ọgwụgwọ nime Mkpuchi mmehie ahụ. Pita kwukwara okwu mkwà ahụ ọzọ mgbe ọ sịrị: "Onye Ya onwe-ya, dika àjà nwụworo n'ebe nmehie nile di ka ayi we di ndu n'ebe ezi-omume di; Onye eji ọnyá utari-Ya me ka unu nwe ezi ndu" (I Pita 2:24).

**Ụbọchị Mkpuchi Mmehie nke Ndị Israel**

Chineke chọrọ ime ka Ụmụ Israel mata ihe ukwu nke Mkpuchi mmehie bụ, ya mere Ọ rọpụtara otù ụbọchị n'arọ ọ bụla nke a na-achụ àjà dị iche iche nke ná-egosipụta ọlụ ahụ nke Jisọs gaje ịlụ site n'inye ndụ Ya dịka àjà dị ndụ. Ndị ahụ na-awụsị ọbara anụ dị iche iche n'ịchụàjà ha kwa ụbọchị, nke bụ ụdị n'otù ụzọ ma ọ bụ n'ụzọ ọzọ ihe Jisọs gaje ime site ná mwụsị Ọbara Ya. Ma n'Ụbọchị Mkpuchi mmehie a na-achụ àjà pụrụ iche nke ná-egosi

n'ụzọ karịrị ukwuu ịlụsi ọlụ ike nke Ọbara Jisọs ga-enwe. Àjà ndịa niile bụ maka mba ahụ niile, nke ná-egosipụta na "onye ọ bụla nke kwere" ka a ga-azọpụta. Ma n'ihi mmehie nke onweha n'otù n'otù, ha nwekwara àjà mmehie nke ha ga-eweta. Ọbụná otú ahụ, agaghị azọpụta anyị site ná mkwà nke Jisọs na apụrụ ịzọpụta ụwa niile, ma ọbụghị ma anyị niile n'otù n'otù bịaruru ná nchègharị ma rịọ kwa Jisọs ka Ọ gbaghara mmehie niile anyị. "N'ihi na Chineke hụrụ ụwa n'anya otú a, na O nyere ọbuná Ọkpara Ọ muru nánị Ya, ka onye ọ bula nke kwere na Ya we ghara ila n'iyi, kama ka o nwe ndu ebigh-ebi" (Jọn 3:16).

Ụbọchị nke Mkpuchi mmehie ahụ bụ ụbọchị pụrụ iche nke Ụmụ Israel niile na-echeta mmehie ha. Ha ga-amatarị na ọ dịghị ezigbo obiụtọ ha nwere ruo mgbe ewezugara mmehie niile ha. Anyị apụghị inwe ezigbo obiụtọ ruo mgbe asachapụsịrị mmehie niile anyị site n'Ọbara nke Jisọs.

**Onyeisi Nchụàjà Náánị**

Anyị mụtara na Eron na ụmụ ya ndịkom niile bụ ndị nchụàjà, ma Eron bụ onyeisi nchụàjà, náánị ya na-eje ozi n'Ụbọchị Mmkpuchi mmehie, dịka Jisọs, Onyeisi nchụàjà anyị, náánị Ya kwụrụ ụgwọ Mkpuchi mmehie nke anyị. Onye, "mgbe Ọ sachasiri nmehie nile ayi, O we nọdu n'aka nri nke Idi-uku ahu di n'elu" (Ndi Hibru 1:3). Eron mere ihe niile ná nleruanya dịka Chineke nyere ya iwu. Ọ na-eyi uwe pụrụ iche n'ụbọchị ahụ, ọ na-asacha kwa onweya ọtụtụ ugbò ịhụ́ na ọ dị ọcha, ụdị nke ịdị nsọ.

**Ụzọ Ịbà nime Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ Niile**

Ọ dịghị onye ọ bụla pụrụ ịbà nime Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ niile ma ọ bụghị náánị onyeisi nchụàjà, ọ bụ kwa náánị n'Ụbọchị Mkpuchi mmehie ka ọ pụrụ ịbà n'ebe ahụ. Tụgharịa uche ihe ọ bụụrụ ya ịchịlite akwa mgbochi ọnụ ụzọ ahụ wee guzo n'iru Chineke nke ná-anọkwasị n'elu ebe Oche Ebere. Eron were kwa n'onweya icheku-ọkụ nime ihe ịgụ ọkụ nke ọlaedo, ya na ihe nsureọkụ ná-esi ísì ụtọ nke ọ ga-esure nke ga-ewepụta anwụrụ ọkụ n'etiti ya na Chineke, "ka o we ghara inwu." Ọ ghaghị ịbịa nso Chineke ná nleruanya na n'ikwanye ùgwù. Chineke na-achọ ka anyị bịakute Ya n'ezi ntugharị uche, ná-echeta ịdịnsọ Ya. Anyị aghaghị ịsọpụrụ ụlọukwuu Chineke, ma debe kwa onweanyị dịka a ga-asị na anyị matara na Jisọs na-ele anyị anya ná nkeji ọ bụla. Mgbe anyị na-ekpe ekpere ka anyị cheta na anyị na Onye kèrè anyị na-ekwurita okwu, Onye kewokwara Eluigwe na ụwa na ihe niile dị nime ha. Náánị chee échìchè ihe ọ pụtara bụ ikpere Chineke dị ebube dị kwa nsọ otú a, ka O wee zaa ekpere niile anyị!

Àjà pụrụ iche dị nke a na-eji ewu abụọ chụọ n'Ụbọchị Mkpuchi mmehie. Eron na-egbu otù were kwa ọbara ya bànye nime Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ niile ifesa ya n'elu ebe Mkpuchi mmehie n'ihi ndị ahụ. Ndị Israel apụghị ịbà n'ebe ahụ n'onweha, kama Eron na-achụ àjà n'ihi ha.

Lee otú ha na-elesi anya ike ka Eron laghachi! Ha nọ n'ezi ná-ekpe ekpere mgbe ọ na-efesa ọbara ahụ n'Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ niile. Ọbụná ndị nchụàjà niile ọzọ apụghị ịbata n'Ebe Nsọ ahụ ebe ihe ịchụ àjà ọlaedo ahụ na ihe ịdọba oriọna ọlaedo ahụ dị kwa, mgbe Eron nọ nime Ebe Nsọ kachasị Ebe nsọ niile. Atañ ọlaedo nke dị gburugburu ọnụ-ọnụ uwe mwụda Eron na-ada ụda ka ọ na-ejègharị, ná-eme ka ndị ahụ nke ná-ege ntị n'ezi mara na ọ dị ndụ ma ná ekpuchikwara ha mmehie ha.

**Ákwà Mgbochi Gbawara**

Mgbe Jisọs nwụsịrị n'elu obe, akwà mgbochi ahụ nke ụlọukwuu gbawara nke bụ na onye ọ bụla pụrụ ịbà n'Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ niile ahụ. Nke ahụ pụtara na anyị pụrụ ugbu a ịbà n'ebe Mkpuchi mmehie ahụ n'onweanyị ná achọghị kwa onyeisi nchụàjà nke ụwa ikwuchitara anyị n'ebe Chineke nọ. Mgbe Jisọs lụsịrị ọlụ mgbapụta wee laa n'Eluigwe ịbụ Onyeisi nchụàjà anyị n'Ebe ahụ kachasị Nsọ nke Eluigwe, onye nchụàjà ma ọ bụ òfùfè nke ụlọikwuu ahụ adịghị kwa mkpà ọzọ.

**Onyeisi nchụàjà Anyị**

Jisọs ejighị ọbara óké ehi na nke mkpi bànye n'Eluigwe, dịka Eron mgbe ọ na-aba n'Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ niile, kama O nyere Ọbara nke Onweya. Aka Ya abụọ na ụkwụ Ya abụọ na akụkụ Ya ka amapuru mgbe akpọgidere Ya, Ọbara Ya ka awụsịrị iji kpuchie mmehie niile nke anyị. Mgbe Ọ kwụsịrị ụgwọ a dị óké ọnụahịa n'ihi anyị, ị na-echè na anyị pụrụ isi n'ụzọ ọzọ banye Eluigwe ma ọ bụghị ụzọ ahụ Ọ tụpụtara?

Jisọs ga-abịa ọzọ n'ihi ndị ná-ele anya Ya. Dịka ndị Israel niile na-echere Eron ka o si n'Ụlọikwuu laghachi, otú a ka anyị na-echere Jisọs ka O si n'Eluigwe laghachi bịa kpọrọ ndị nke Ya. Ọ sịrị na Ya ga-alaghachi n'ihi ndị ná-ele anya Ya.

Gịnị ka ile anya Jisọs pụtara? Aghaghị ịgụ anyị ná ndị eziomume site n'Ọbara nke Ọ wụsịrị. Anyị ga-abụ ndị edoro nsọ, ụdị mmehie ahụ nke anyị ketara n'ekè ka a ga-ewepu site kwa n'Ọbara nke Jisọs. Anyị ga-abụ kwa ndị emejupụtara na baptizim nke Mmụọ Nsọ. Mgbe Jisọs na-ala n'Eluigwe O kwere ndị ná-eso ụzọ Ya mkwà na Ya ga-ezitere ha Onye nkasịobi, bụ Mmụọ Nsọ, nke ga-abụ Onyendú anyị baa "n'ezi-okwu nile." Jisọs nyere ndị na-eso ụzọ Ya iwu ka ha nọdụ "rue mgbe agēwere ike nke si n'elu yikwasị unu" (Luk 24:49). Iwu ahụ dịkwara anyị taa. Anyị ga-abụ ndị ná-eje ijè n'ìhè niile nke Okwu Chineke nke ná-enwu n'ụzọ anyị, ka anyị wee jikere izute Jisọs mgbe Ọ ga-abịa.

**Ewu Ọpụpụ Ahụ**

Ọ dị ewu abụọ a na-enye n'Ụbọchị Mkpuchi mmehie ahụ. Agwara anyị na otù ka a na-egbu were ọbara ya bànye n'Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ niile. Nke ọzọ ka a na-akpọ ewu ọpụpụ. Mgbe ụfọdụ a na-akpọ mmadụ ewu ọpụpụ mgbe o buuru ịta ụta nke onye ọzọ. Nke a bụ ihe ewu ọpụpụ mgbe ochie ahụ mere. Ọ na-anọdụ nwayọọ mgbe Eron na-atụkwasị aka ya abụọ n'isi ewu ahụ wee kwupụtasịa mmehie niile nke ndị Israel n'arụ ya. Mgbe ahụ ọ na-esoro otù onye ná nrubeisi, onye ga-eduru ya baa nime ọzara ebe o furu. Ọ dịghị onye ọ bụla na-ahụ ewu ahụ anya ọzọ. Nke a bụ ihe atụ nke Jisọs, Ọ bịara n'ụwa n'Onweya ná abụghị ná mmánye, ná-eburu mmehie niile anyị n'arụ Ya, nwụọ ọnwụ iwepụ mmehie nke onye ọ bụla nke ga-abịakute Ya ná nchègharị, ma kwere kwa na Ya.

Ya mere anyị na-ahụ́ na n'Ụbọchị Mkpuchi mmehie ka anyị nwere ihe ngosi zuru ókè nke ihe niile Jisọs bịara mee n'ụwa site n'afọ ofufo ịwụsị Ọbara Ya ka ewee gbaghara ma wepụ kwa mmehie niile nke anyị ka aghara kwa icheta ha ọzọ megide anyị.

## AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE

1. Gịnị ka Ụbọchị Mkpuchi mmehie na-egosi?
2. Òlee onye chụrụ àjà ma ná-eje kwa ozi nime Ụlọikwuu n'ụbọchị taa?
3. Gịnị bụ ihe ọ pụrụ ime n'ụbọchị ahụ nke ọ na-apụghị ime n'oge ọzọ?
4. Òlee otú o si ejikere onweya ịbà nime Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ niile ahụ?
5. Gịnị mere ewu ọpụpụ ahụ?
6. Gịnị mere ewu nke ọzọ ahụ?
7. Òlee otú ewu ndịa si nọchita anya Jisọs?
8. Òlee otú anyị ga-esi mee ka agbaghara ma wezuga kwa mmehie niile anyị?